# IKPE NKWỤMỌTỌ N'AKỤKỌ IFO ALA IGBO

**Ndidi J. Okey-Agbo**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ ndị ọzọ,
Mahadum Naijirịa, Nsụka
08061271905, jacinta.okey-agbo@gmail.com

**na**

**Crescentia N. Ugwuona**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ ndị ọzọ,
Mahadum Naijirịa, Nsụka
07036832566, crescentia.ugwuona@unn.edu.ng

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya n'usoro ikpe nkwụmọtọ n'ime akụkọ ifo ala Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ iji akụkọ ifo kuzie maka ikpe nkwụmọtọ n'oge ugbua. Atụtụ ntụcha data e ji mee nchọcha a bụ atụtụ nchụta akụ nke Karl Marụ na enyi ya bụ Fredrick Engle chọpụtara. Nchọcha a gosịrị ebe dị iche ịche e ji akụkọ ifo kuzie nakwa uru ọ bara inwe ikpe nkwụmọtọ n'obodo anyị. Nchọcha a chọpụtara na akụkọ ifo so n'ụzọ e si akụzi maka ikpe nkwụmọtọ. Ọ na-atụ aro ka a na-akuzịrị ụmụaka usoro ikpe nkwụmọtọ n'akụkọ ifo mgbe ha dị obere ka ọ ga-abụ ha tolite ha anọgide n'ụzọ eziokwu. Ka e were nwee ike dozie obodo anyị maka ịdị mma.

## Ntọala nchọcha

Otu ihe kacha dị mmadụ mkpa n'elu ụwa bụ ikpe nkwụmọtọ. Onye ọ bụla tinyere obodo anyị bụ Naijirịa chọrọ ikpe nkwụmọtọ ọkachasị oge ugbu a a na-edozi ọnọdụ obodo anyị. N'ọnọdụ dị otu a, ndị mmadụ kwesịrị iji asụsụ ala anyị were kuzie maka ikpe nkwụmọtọ. Naijirịa nwere ọtụtụ agbụrụ n'ime ya mana asụsụ atọ ka pụta ihe e ji ele ule ndị kọleji n'ala anyị bụ Igbo, Awụsa na Yoruba. Asụsụ Igbo nwere agụmagụ ọnụ nwe agụmagụ ederede. Akụkọ ifo bụ otu ngalaba agụmagụ ọnụ.

Ọtụtụ ndị odee na ndị gụrụ akwụkwọ enyeela agụmagụ ọnụ nkọwa dị iche iche. Ụfọdụ ndị mmadụ kọwara agụmagụ ọnụ dị ka ihe e ji akpa mmadụ ọchị ya na iji ya egwụrị egwu. Agụmagụ ọnụ dị ka Okebalama (2003) siri kọwaa bụ agụmagụ ndị Igbo gụpụtara n'ọnụ nke gụnyere akụkọ ọdịnala edeghị n'akwụkwọ, abụ niile a gụrụ n'ọnụ, akụkọ ifo wee dịrị gaba. Agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ a gụrụ n'ọnụ nke sitere n'aka fere aka wee rute anyị aka. Ọ bụ ụzọ ndị Igbo ji egosipụta etu ha si ebi ndụ, omenala ha na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Akụkọ ifo dị ka agụmagụ ọnụ bụ akụkọ ihe mere mgbe elu bụ ala ọsa, mgbe ikpe nkwụmọtọ dị n'ala anyị nke na-akwalite njirimara na ndụ ndị Igbo. Akụkọ ifo bụkwa ntọala agụmagụ ọnụ nke e ji akuzịrị ndị mmadụ ihe. Akụkọ ifo nke anyi maara bụ enyo na-enyocha obodo nwe ya bụ akụkọ. Nke a gosịrị na akụkọ ifo ọ bụla nwere ọrụ pụrụ iche ọ na-arụ n'obodo nwe ya. Nwaozuzu (2018) kọwara akụkọ ifo dị ka obere akụkọ e ji atụrụ ndụ mmanụ ya na ịkụzi ezigbo agwa, ya mere na akụkọ ifo na-abịa mgbe a na-ezu ike n'ezinulo nakwa n'ụlọ akwụkwọ.

Akụkọ ifo na-enye aka n'ịkwalite udo, ịfụnanya na ịdị n'otu site na nkuzi ya. Sitena nkọwa ndị a dum, a ga-ahụta usoro ikpe nkwụmọtọ n'akụkọ ifo dị ka enyo e ji akụzịrị mmadụ mkpa ọ dị ka e nwe ikpe nkwụmọtọ. Ikpe nkwụmọtọ bụ ikpe ziri ezi nke enweghị onye o megidere. Ala Naijirịa chọrọ ikpe nkwụmọtọ ka e nwe ike dozie ma weghachite udo na ịfụnanya oge ugbu a ala anyị jupụtara n'ọgbaghara n'etiti ndị ọrụ ugbo

na ndị na-achị efi, obodo na obodo, okpukperechi dị iche iche, ndị otu ndọrọndọrọ n'ibe ha, wee dịrị gaba.

Ụmụ akwụkwọ na-aka amụta ihe site na akụkọ, karịa n'ịgụ ya agụ. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ha ka echete ozi dị n'ime ya bụ akụkọ ma nwe ike kọrọ ya onye ọzọ. Otu aka ahụ kwa ka ha ga-esi buru ozi dị n'usoro ikpe nkwumọtọ n'akụkọ ifo tinye n'ọrụ ka e were dozie obodo Naijirịa.

Site n'ikpe nkwụmọtọ ezipụtara n'akụkọ ifo, n'ime nchọcha a, e nwere olilanya na obodo anyị ga-alọchite n'ọnọdụ dị mma, ma ọ bụrụ naanyị ga-etinye ihe ndị ahụ na ndụ anyị na-ebi. Atụtụ nchụta akụ nke gbadoro ụkwụ n'ikpe ziri ezi n'ebe mmadụ n'ibe ya nọ ka e ji tụchaa ngwa nchọcha. E nyochara ụfọdụ akụkọ ifo siten'isiokwu ha were hụta na e nwere ikpe nkwụmọtọ na ndụ anyị na mgbe gboo.

**Ntulegharị agụmagụ**

Akụkọ ifo zuru ala Igbo niile ọnụ nke e ji akụzịrị ndị na-etolite etolite ezigbo ihe metụtara omenala Igbo. Nwadike (1992) sịrị na ọ bụ site n'akụkọ ifo ka agụmagụ ọdịnala siri malite. Akụkọ ifo nọ dịka akụkọ emeghị eme mana e ji ya akụzi maka agwa na omume ụmụ mmadụ. E kere akụkọ ifo ụzọ atọ, e nwere akụkọ mere n'ala mmadụ, ala mmụọ na ala ụmụanụmanụ, ịmaatụ akụkọ *Ojadịlị*. Akụkọ ifo na-ejikarị mmadụ, mmụọ na anụmanụ were emere agwa. Ọ bụ ihe e ji azụlite ụmụaka n'ụzọ eziokwu, irube isi, ịga ozi dg.

Akụkọ ifo bụ ihe ndị Igbo ji ezuike ọrụ n'oge abalị, mgbe ha rụchara ọrụ nọrọ n'ụlọ ha. Oge ụfọdụ ndị nkuzi na-akọrọ ụmụaka nọn'ụlọ akwụkwọ nta akụkọ ifo n'ụlọ akwụkwọ iji mee ka ha nọdụ nwayọ ya nakwa ịkụziri ha ezigbo agwa. Okebalama (2003) n'aka nke ọzọ kwuru na etu akụkọ ifo siri bido bụ ihe omimi. O nweghi onye ga-ekwu na ọ maara aha onye kọpụtara akụkọ ifo ọbụla. Akụkọ ifo niile bụ o sị n'aka fere aka ruo ndụdụgandụ. Ndị na-akọkarị akụkọ ifo n'ezinuụlọ bụ ndị okenye ebe ụmụaka na-ege ntị. Ọ bụ oge ụmụaka nwere ohere ịjụ ndị okenye ajụjụ ma nwee ike tinyekwa ihe bụ ebumnuche nke aka ha, n'akụkọ akọọrọ ha. Okodo (2011) kpọrọ oku ka e jiri akụkọ ifo kụnye mkpụrụ ezigbo omume n'ime ndị mmadụ ọkachasị ụmụaka ndị kwesịrị itolite n'ezigbo omume mgbe ha ka dị obere. Akụkọ ifo na-akụzi ọtụtụ ihe nke otu n'ime ha bụ ikpe nkwụmọtọ.

Ikpe nkwụmọtọ bụ ikpe ziri ezi nke enweghị onye ọ ga-emegide. Otu n'ime ụzọ ndị Igbo sị ahụ naenwere ikpe nkwụmọtọ bụ site n'ọfọ na ogu. Okorji na Okeke (2011:139) kọwara ọfọ dịka osisi nwere obere mkpụrụ ya na nke ibe akwụkwọ ahụ ya dị ihe ga-eru asaa ma ọ bụ iri n'onuogu. Ndị Igbo nwere nkwenye na ọ bụ Chineke kere ọfọ nke na e nweghị onye na-egbubi akụkụ ahụ ya. Edeh (1985:17) kwuru na ọfọ bụ ihe na-egosi ike na ọchịchị. Ọ bụ ọfọ ka nwa ọkpara ezinuụlọ na-eji n'aka mgbe ọ na-ekpe ikpe n'ụmụnna. N'otu aka ahụ, Onyeọcha (1992:22) kwenyere na e ji ọfọ agwa ndịichie okwu. A na-ahụtakwa ọfọ dịka akara eziokwu, ikpe nkwụmọtọ, iwu na ike ọchịchị n'etiti ndị Igbo. Ebe ọ bụla ọfọ dị, a na-enwe ikpe nkwụmọtọ, n'ihi na oji ọfọ ga-ana. Okorji (2011:147) kọwara ọfọ dị ka akara ikpe nkwụmọtọ na eziokwu, ebe ndị Igbo tụrụ ilu sị," egbe belụ ugo belụ nke sị ibe ya ebela, nku kwaa ya". N'ịga n'ihu ka enwe ikpe nkwụmọtọ, ndị Igbo na-asị,"ome ife jide ọfọ". Ọ kọwara na ọfọ bụ ihe na-eme ka mmadụ kwue eziokwu ọ bụladị mmadụ ịta ahụhụ maka eziokwu. A na-eji ọfọ ekwu okwu ọ bụla dị oke mkpa n'obodo. E ji ọfọ aṅụ iyi ebe ọbụla a na-ekpezi esemokwu ka e were mata onye kwuru eziokwu. Ndị Igbo kwenyere na ọ bụrụ naenwere ikpe aka azụ, na mmụọ na ndịiche ga-ata onye kwuru okwu asị ahụhụ. Ọ bụ nke a kpatara na ọ bụ ọfọ na ogu ka eji ahụta ikpe nkwụmọtọ n'ala Igbo.

**Atụtụ e ji rụọ ọrụ**

Nchọcha a gbasoro atụtụ nnyocha agụmagụ nchụta akụ. Atụtụ nchụta akụ bụ otu n'ime atụtụ e ji enyocha agụmagụ. Engleton (1976), mere ka a mata na atụtụ nchụta akụ na-ahụ agụmagụ dịka ọrụ nka na-agbado ụkwụ n'ogo dị iche iche mmadụ nwere ike ịhụta onwe ya, ụfọdụ bụ ogbenye ebe ụfọdụ bụ ọgaranya. Onye bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'atụtụ a bụ Karl Marụ na enyi ya bụ Fredrick Engle. Ndị ọzọ kwadoro ha bụ George Lukacs na Watter Benjamin. A chọputara atụtụ a na senturị nke iri na iteghete, nke ebumnobi ha gbadoro ụkwụ n'iji agụmagụ gosi ikpe nkwụmọtọ n'ime ndọrọndọrọ ọchịchị onye ga-achịkọta akụ. N'echichie nke ya, Ngara (1995) na-ekwu na atụtụ a gbadoro ụkwụ na ndịna karịa ụdịdị, na o nweghị mgbe o lebara anya na nka na agụmagụ.

Mbah na Mbah (2007), kọwara na atụtụ a sitere n'atụtụ fịlosọfị Karl Marụ. Ọ na-akọwa na agụmagụ bụ ngosipụta ọdịdị *nchụta akụ na ụba* nke obodo. Atụtụ a na-ezipụta ma na-enyekwa ezi nkọwa gbasara mmegbu ndị ọrụ n'agụmagụ. Ọ bụ mmegbu a kpatara atụtụ a jiri dị oke mkpa na nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ikpe nkwụmọtọ.

**Atụtụ nrụmọrụ**

Atụtụ ọzọ nchọcha a ga-agbaso bụ atụtụ nrụmọrụ. Atụtụ a na-akọwa na agụmagụ ga-enwerịrị uru ọ ga-abara obodo nwe ya bụ agụmagụ. E ji atụtụ a enyocha etuihe mmadụ bu n'uche si emetụta akparamagwa onye ahụ, n'ihi na atụtụ nrụmọrụ nwere agwara agwa na uche mmadụ. Agụmagụ bụ ihe dị oke mkpa n'iweta mgbanwe na agam n'ihu obodo.

Fineegan (1976) hụtara agụmagụ dị ka ihe na akara ihe a na-ahụ n'obodo nke na-enyekwa aka ka obodo na-aga n'ihu. A na-eji atụtụ nrụmọrụ eme ka o doo anya na akụkọ ifo nwere ikpe nkwụmọtọ kwesịrị ịba uru n'ala anyị n'oge ugbu a.

**Nnyocha ọrụ e merela banyere isiokwu**

Na nchọcha a, anyị ga-eleba anya n'ụfọdụ nchọcha ndị gbadoro ụkwụ n'akụkọ ifo. Okodo (2011) mere nchọcha gbasara akụkọ ifo Igbo: ụzọ ka mma iji mmụnwe ezi omume. Nchọcha ya nwere ebumnuche naeji akụkọ ifo ebulite ezigbo omume. Ọ chọpụtara na ụmụaka e ji akụkọ ifo zụa na nwata na-eme ezigbo omume. Nchọcha ya yituru nke ugbua maka na o mere ya n'akụkọ ifo mana ndịiche dị na ha abụọ bụ na nchọcha ugbua na-ekwu maka akụkọ ifo n'ikpe nkwumọtọ ebe nchọcha Okodo na-ekwu maka mmụnwe ezi omume site n'akụkọ ifo.

Amali (2014) mere nchọcha gbasara nghọta, ọrụ na emereme dị na akụkọ ifo Idoma. Nchọcha ya tụlere ọtụtụ akụkọ ifo dị n'Idoma, nghọta na ọrụ e nwetere site na ya. Nchọcha a chọpụtara na akụkọ ifo gbara mgbọrọgwụ na ndụ okpu nke ndị Africa, ọrụ akụkọ ifo na-arụ kwesịrị ịbụ ngwa nkuzi n'izulite ụmụaka n'ụzọ okpu, e nwekwara ike iwebata ya na ndụ ugbua. Ndịiche ya na nchọcha ọhụrụ a bụ na nchọcha ọhụrụ a na-ekwu maka ikpe nkwụmọtọ n'akụkọ ifo ala Igbo ebe nchọcha Amali na-ekwu maka ọrụ akụkọ ifo n'Idoma.

Kanu (2016) lebara anya n'ihe gbasara akara n'akụkọ ifo Igbo. Ebumnuche ya bụ ịchọputa akara n'akụkọ ifo Igbo nke e ji arụ ọrụ na ndụ ọkpụ anyị. Atụtụ nchọcha ya gbasoro bụ atụtụ ndekọ. Nchọcha ya chọpụtara na ọtụtụ akara n'omenala Igbo sitere n'akụkọ ifo. E jikwa akụkọ ifo akụzịrị ụmụaka ezigbo omume. Nchọcha ya yitụrụ nke ọhụrụ a maka na o mere ya n'akụkọ ifo mana ndịiche dị na ha abụọ bụ na nke ọhụrụ a na-akọwa maka ikpe mkwụmọtọ n'akụkọ ifo.

Ugwoke (2018) mere nchọcha gbasara iji akụkọ ifo Igbo wee mee mkpezi ma ọ bụ weta udo ebe ọgbaaghara dị. Ebumnuche nchọcha Ugwoke bụ iji akụkọ ifo dị na *Mbediogu* na *Nza na Obụ* nke Ọgbalụ dere were kuzie maka udo, ịdịnotu na ịhụnanya.

Nchọcha ya gbasoro usoro atụtụ keọnọdụ. Ọ chọpụtara na akụkọ ifo ndị a wetere mkpezi ebe esemokwu dị.

Nwaozuzu (2018) na nchọcha ya lebara anya n'iji ụzọ aghụghọ nweta ihe dị ka isi okwu n'akụkọ ifo. Ebumnuche nchọcha ya bụ iji akụkọ ifo were gbochie ụfọdụ ajọ ọnọdụ ma ọ bụ esemokwu. Isiagwa n'akụkọ ifo ndị ahụ bụkarị ndị aghụghọ nke nyeere ha aka ka ha merie n'ikpe azụ. Nchọcha ya yitụrụ nke ọhụrụ a maka na o mere ya n'akụkọ ifo mana ndịiche dị na ha abụọ bụ na nke ọhụrụ a bụ maka ikpe nkwụmọtọ n'akụkọ ifo.

### Ikpe nkwụmọtọ n'akụkọ ifo ndị a họọrọ

### Eziokwubụndụ na mgbaaka

Akụkọ nke mbụ na-akọrọ anyị maka nwoke aha ya bụ Eziokwubụndụ, onye enyi ya nwoke chọrọ ka o tinye na nsogbu. N'ime akụkọ a, Iheonyemetara nyere Eziokwubụndụ mgbaaka ọ ga-eji gaa ịlụta nwaanyị ka o jidere ya rue afọ atọ. Tupu afọ atọ e rue, Iheonyemetara gara n'ụlọ dibịa ka ọ gwọrọ ya ọgwụ ka mgbaaka ahụ were fue. Dibịa mere nke a site n'idunye oke ka ọ gaa weta mgbaaka ahụ n'ime ite aja ebe Eziokwubụndụ dowere ya. O weere mgbaaka ahụ oke wetara tụnye n'ime osimiri. Eziokwubụndu amaghịkwa na mgbaaka adịghizi rue mgbe ọ fọrọ abalị atọ ka o nye enyi ya nwoke ihe o dobere n'ụlọ ya. Egwu enyi ya na-agụrụ ya bụ nke a:

| | |
|---|---|
| Eziokwubụndụ abiara m be gị | zamịrịza |
| Nye m mgbaka nwunye m | zamịrịza |
| Mgbaaka m nyere gị n'afọ atọ gara aga | zamịrịza. |
| Ọ bụrụ na ị hụghị ya mara na ị bụ onyeohi | zamịrịza |
| Obodo anyị tiri iwu na onye ohi ga-anwụ | zamịrịza |
| Eziokwubụndụ nye m mgbaka nwunye m | zamịrịza |

Mgbe enyi ya nwoke ahụ lawara, Eziokwu bara n'ime ụlọ malite chọwa mgabaka ahụ. Ọ chọrọ mgbaaka ahụ ma ọ hụghị ya. Oge ụbọchị akara aka ruru, otu onye agbataobi ya a na-akpọ Chibuzọ rịọrọ ya ka ha gaa kụta azụ na mmiri. Eziokwubụndụ kwere soro ya gaa na mmiri. Otu n'ime azụ Eziokwu kụtara bu mgbaaka enyi ya nwoke n'afọ mana ọ maghị. Mgbe o rutere n'ụlọ ya, ọ sị ka ya were otu n'ime azụ ahụ sie nri, rie were kwadobe maka ọnwụ ya. Eziokwu mepere afọ azụ ahụ were bọpụta mgbaaka ahụ n'afọ azụ. N'oge abali, Eziokwu were mgbaaka ahụ gaa n'ụlọ Eze ebe ọha obodo niile gbakọrọ. Eze na-achị obodo kpọlitere Eziokwu ka ọ gwa ndị mmadụ ihe ọ chọpụtara maka mgbaaka ahụ. Oge ahụ ka Eziokwubụndụ wepụtara mgbaaka ahụ gosi Eze na ndị ọha obodo, iji gosi ha na ya abụghị onye ohi. Ọnọdụ a tụrụ enyi ya, Iheonyemetara n'anya maka na ọ maghị naaga-ahụ mgbaka ahụ ọzọ. Eze obodo ahụ nyere iwu ka achụpụ Iheonyemetara makana o boro mmadụ ebubo asị. Eze sịrị Eziokwubụndụ ka ọ lawa be ya. Akụkụ a na-egosi ikpe nkwụmọtọ nke Eze na-achị obodo kpere, ka ndị mmadụ site na ya mụta ihe.

### Mbe na ndị nwunye ya

Akụkọ nke abụọ na-ekwu maka mbe na ndị nwunye ya abụọ. Ndị nwunye mbe abụọ mụtara otu nwa nwoke otu nwa nwoke otu ụbọchị n'oge abalị, ma mbe amaghị onye buru ụzọ mụọ nke ya iji mata onye ga-abụ nwa ọkpara n'ihi na mbe anọghị n'ụlọ ụbọchi ahu. Ụmụaka abụọ a malitere towe bụrụ okorobịa ruru ịlụ nwaanyị. Mbe kpọrọ ndị nwunye ya abụọ jụọ ha onye buru ụzọ mụta nwa n'abalị ahụ ma ha abụọ na-azọ onye ọ ga-abụ ya bụrụ ụzọ. Otu n'ime ha maara na ya kpe azụ mụpụta nwa nke ya mana oke akpịrị ka nwa ya bụrụ nwa ọkpara mere ya ka ọ na-azọ na ya bu ụzọ mụọ nwa.

Mbe duru ndị nwunye ya abụọ ahụ ga n'osimiri sị ha, na onye ọ bụ ya buru ụzọ mụpụta nwa ga-agafe osimiri ahụ n'ala ọkọrọ mana onye ọ bụghị ya bụ ụzọ mụpụta nwa na osimiri agaghị ekewa ka ọ gafere.

Onye buru ụzọ bịa bụ nwunye mbe nke mụrụ nwa ikpeazụ. Ọ malitere gụwa egwu ndị a, mana osimiri ekweghị ekewa.

| | |
|---|---|
| Osimịrị apị kewa | nda |
| Osimịrị apị kewa kewa | nda |
| Kewaara nne ọkpara | nda |
| Kewara nne ọkpara mbe | nda |
| Ejim ọfọ na ogu | nda |
| O ji ọfọ ga-ala | nda |

Mgbe nke bụ ụzọ mụọ nwa bịara gụọ egwu a, osimiri kewara, ọ gafere n'ala ọkpọrọ. Mbe were mata na ọ bụ ya mụrụ ọkpara.Mbe weere ihe niile o nwere nyefee nwa nwaanyị ahụ gafere n'ime osimiri n'ihi na ọ bụ ya mụrụ nwa ọkpara. Akụkọ a na-egosi ikpe nkwụmọtọ n'akụkọ ifo n'ihi na 'ọfọ maara onye ji ya.'

## Mkpokọta na mmechi

Site n'ihe e lebara anya n'ederede a, a chọpụtara na akụkọ ifo na-ezipụta ezigbo usoro ikpe nkwụmọtọ n'ala Igbo. A chọpụtara na Eze n'akụkọ ifo nke mbụ gosịrị ikpe nkwụmọtọ n'ikpe o kpeere Eziokwubụndụ na Iheonyemetara nke mere na Iheonyemetara bụ onye a chụpụrụ n'obodo ha maka ibo mmadụ ebubo asị. N'akụkọ nke abụọ, nwunye mbe nke mụrụ nwa ọkpara ji ọfọ na ogu nke mere osimiri jir kewa ka ọ gafee,mana nwunye mbe nke abụọ enweghị ike ịgafee makana o jighị eziokwu. Mbe nyere nwa nwaanyị ahụ gafere oke dị ka nwa ọkpara ya ịji gosi ikpe nkwụmọtọ. Nchọcha a gbasoro atụtụ nchụta akụ nke gosịrị mmegbu mmadụ n'agụmagụ dị ka a hụrụ n'akụkọ ifo ndị a kọrọ. Ihe akụkọ ifo ndị a niile na-akuzịrị anyị bụ na ikpe nkwụmọtọ dị ezigbo mkpa maka udo ịbata n'obodo anyị.

## Edensibịa


Amali, S. (2014). The use of story telling to reinforce cultural values. A case of Gbayi of Abuja. Nigerian magazine, 2 (8)¸23-30.

Eagleton, T. (1976). *Marxism and Literary Criticism*. London: Metheun Books.

Edeh, E.M.P. (1985). *Towards an Igbo Metaphysics.* Chicago: Loyola University Press.

Finnegan, R. (1976). *Limba Stories and Story Telling*. Oxford: Clarendon press.

Kanu, F.N. (2016). "Symbolic signs in Igbo folktales". Ngụpụta semịna maka nzere Ph.D. Ngalaba Lingwiistks, Mahadum Naịjirịa, Nsụka

Mbah, B.M & Mbah E.E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics.* Nsukka. University of Nigeria Press.

Ngara, E. (1985*). Arts and Ideology in the African Novel*. London: Heinemann.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nigeria: Ifunanya Publishers.

Nwaozuzu, G.I. (2018). "Subtle Diplomacy as major themes in Igbo folktales". Nwokoye, N. (Ọhz.) *Trail-Blazing discourse on Linguistics and Igbo. A Festschrift in honour of Professor G.I. Nwaozuzu.*

Okebalama, C.N. (2003). *Mkpolite Agụmagụ Ọnụ Igbo*. Enugu: SNAAP Press.

Okodo, I.A. (2011). "Igbo folktales: Positive factors for moral rebirth". Ezenwa-Ohaeto, N. (Ọhz.).*The Perspectives of Language and Literature. Essays in honour of R.U. Uzoezie*.

Okorji, R.I. & Okeke, C.O. (2011). Ọfọ and Ogu in Nkporspeech community: A Conceptual Explication.*Ikenga International Journal of Institute of African Studies*, vọl.11, No.1&2.

Onyeocha, M.I. (1992).*Let's Reach for the Sky*. Owerri: Asumpta press.

Ugwuoke, P.E. (2018). "Igbo Pacification Folktales". Ngụpụta semịna maka nzere Ph.D. Ngalaba Lingwiistks, Mahadum Naịjirịa, Nsụka